# Leta Nne na Nna Na Mpaghara

Ezigbo Nne na Nna ma ọ bụ Onye Nlekọta:

N'ịnyere ndị mpaghara Minnesota aka ịnye mmemme yana ọrụ ndị atụbara anya iji nyere ụmụ akwụkwọ niile aka ịme nke ọma, iwu ji mpaghara niile ịnata ozi gbasara mmalite nna ochie ma ọ bụ agbụrụ ụmụ akwụkwọ nke akọwapụtara nke ọma dabere na otu Minnesota kachasị, gafee ihe ndị achịkọbara n'ime mpempe akwụkwọ ntibanye n'okpuru iwu etiti obodo kemgbe 2008. Ndị nne na nna ma ọ bụ ndị nlekọta agaghị azarịrị ajụjụ ndị etiti obodo (n'ọkpụrụkpụ) n'ime Mpempe Akwụkwọ Nkọwapụta Gbasara Agbụrụ Onye maka ụmụaka ha. Agbanyeghị, ọ bụrụ ị jụ ịza ajụjụ etiti obodo ndị ahụ (n'ọkpụrụkpụ), iwu etiti obodo chọrọ ka ndị ụlọ akwụkwọ zaghachieere gị. Amadoro ajụjụ steeti ka "Nhọrọ" ma ndị ụlọ akwụkwọ agaghị edujupụta ozi a maka gị. Ịjụ ịzaghachi agaghị emetụta ntibanye n'ime ụlọ akwụkwọ.

N'ihi iwu ọhụrụ a, a na-arịọ ka ị kọwapụta ozi nwatakịrị gị. Malite n'afọ akwụkwọ 2019-20, ụlọ akwụkwọ niile dị na Minnesota ga-achịkọba ozi a site n'iji ngalaba ndị a nke akwalitere. Ọ nwere ike bụrụ na a ga-arịọ gị ka idejupụta mpempe akwụkwọ a nke edegharịrị n'afọ na-abịakwa. Ngalaba Mmụta nke Minnesota ga-aga n'ihu na etinye nzaghachi si n'ọhaneze n'ime mpempe akwụkwọ a.

Iji kọwapụta ozi nwatakịrị gị, biko dejupụta mpempe akwụkwọ nke agbakwunyere n'ime ma weghachi ya na [LOCATION] na [DATE].

Nrụbama: Ị nwere ike ịhọrọ ka ịghara igosipụta nhọrọ ndị nke nwere nkọwapụta nke ọma site na ịkanye ihe na nhọrọ "jụ igosi". Ị nwekwara ike họrọ ịkanye ihe na nhọrọ "ọzọ" ma ọ bụrụ na ị hụghị ndepụta otu gị. Anaghị achọ ka ndị ọrụ ụlọ akwụkwọ tinye ụmụ akwụkwọ na otu ndị a akọwapụtara nke ọma.

Biko dejupụta ma weghachite mpempe akwụkwọ ahụ agbakwunyere. Maka ozi ndị ọzọ gbasara ngalaba nkọwapụta, biko kpọtụrụ [NAME] na [PHONE NUMBER].

Onye nke gị,

[SUPERINTENDENT NAME]